Sapientia Global Journal of Arts, Humanities and Development Studies (SGOJAHDS), Vol.4 No.2 June, 2021; p.g. 122 – 130; ISSN: 2695-2319 (Print); ISSN: 2695-2327 (Online)

ITULE NA IKUZI OMENAALA ALỤMALỤ NDỊ IGBO SITE N'AGỤMAGỤ UDO KA MMA N'OGOSEKỌNDỊRỊ NTA SI N'AKA

UGWUOKE PRISCILLA EBERE
Department of Linguistics, Igbo and other Nigerian Languages
University of Nigeria, Nsukka
+2348037786613
ebere.ugwuoke@unn.edu.ng

&

EZE, ROSELINE IFEOMA
Department of Arts Education
University of Nigeria, Nsukka
+2348064008703
roseline.eze.ss12303@unn.edu.ng.

&

AKAEZE CHIOMA M.
Department of Linguistics, Igbo and other Nigerian Languages
University of Nigeria, Nsukka
Chioma.akaeze@unn.edu.ng
+2348035531080

Ụmị Edemede

Nchọcha a lebra anya n'ịchọpụta na ikụzi usoro alụmalụ dị iche iche ndị Igbo na-agbaso dị n' akwụkwọ agụmagụ ederede, Udo ka mma nke A. B.Chukuezi drere. Nchọcha kọwara ma kuzie usoro alụmalụ nke ndị Igbo pụtara ihe n'ejije, Udo ka mma. Nchọcha a lebara anya na mkpa ọ dị na ndị ntorobịa ga-agbaso usoro omenaala ndị Igbo na etu kwesiri ekwesi ndị Igbo si alụ dị na nwunye n'ala Igbo. Nchocha a jiri atụtụ nkọwamị were kọpụta mbunuche ya ma gbadokwa ụkwụ n' atụtụ mbunuche ọgụụ wee tụcha isiokwu nke ha wepụtara bụ etu e si alụ dị na nwunye n'ala Igbo. E sitere n'ịgụ ihe ndị e derela metụtara isi okwu anyị wee nwete isiokwu a gbadoro ụkwụ e ji mee nchọcha a. Nke a nyere ndị nchọcha aka ịchọpụta ihe ndị dị mkpa na ihe ha na-ekwu maka ya. Atụtụ njirime nchọcha nke Sigmund Freud (1965) bụ nke a kpọrọ atụtụ mbunuche (psychological theory of criticism) bụ nke ndị nchọcha gbasoro wee tụcha agụmagụ e ji mee ihe ọmụmụ a. Ndị nchọcha chọpụtara na alụmalụ bụ nnukwu omenaala Igbo ma bụrụkwa ihe zuru ụwa ọnụ. Nchọcha ha gosiri na ọ bụ nwoke na-alụ nwaanyị n'ala Igbo, na ọ bụghị nwaanyị na-alụ nwoke. Nchọpụta ọzọ gosiri na ihe e ji alụ dị na nwunye n'ala Igbo bụ maka iwube ezinaụlọ nwere ugwu na nsọpụrụ.Ugwu na nsọpụrụ ezinụlọ ndị abụ site na nzube ụmụnna. A chọpụtakwara na alụmalụ n'ala Igbo kacha dịrị ndị okenye na ụmụnna n'aka karịa ndị ahụ chọrọ ịlụ onwe ha. N'ịkpaazụ ndị nchọcha nyere arọ ka ndị nne, ndị nna na ụmụnna na-akwado ndị ntorobịa k h na-agbaso usoro alụmalụ dị n'ala Igbo. Nke a ga-adị ire site n'ezigbo nkwado nke izugbe ụmụnna ebe a na alụ dị na nwunye. Ọ ga eme ka omenaala Igbo na-etowanye n'ugwu na nsọpụrụ.

Sapientia Global Journal of Arts, Humanities and Development Studies (SGOJAHDS), Vol.4 No.2 June, 2021; p.g. 122 – 130; ISSN: 2695-2319 (Print); ISSN: 2695-2327 (Online)

Ọkpụrụkpụ okwu: Omenaala Igbo, usoro alụmalụ, agụmagụ, ejije.

Abstract

This study examines how a drama text; Udo ka mma, can serve as an instrument discovering and teaching the customs and traditions involved in Igbo marriage. The main objective of this study is to teach these customs and traditions as they are evidenced in Udo ka mma drama text so that the youths will know the accepted ways to make a family in Igbo land. This study adopts the document observation method to retrieve information used in this study. The study adopted the psychological theory of criticism by Sigmund Freud (1965) for its analysis. A review of some theories and previous works related to the present study was useful in unpacking the minds of the researchers..The findings of the study reveal that men should ask for a woman;s hand in marriage,not the other way round,and that marriage is an institution in Igbo Culture and the essence is for procreation.Cultural trait of the Igbo people seen is that marriage is not the scale business of the couple that want to marry but more of the business of the elders and the kinsmen who must give their consent. The study recommends that mothers, fathers and the relations of the married couples should encourage them by giving them all the necessary support during the marriage ceremony rites.

Keywords: Igbo tradition, marriage process, literature, drama.

Mkpọlite

Ịlụ Nwaanyị n'ala Igbo nwere ọtụtụ aha dị iche iche ana- akpọ ya. Ụfọdụ n'ime aha ndị ahụ gunyere alụmdi na nwunye, alụmalụ, ime ego nwaanyị, ibinye aka ebe nwanyị, ichiba ụkwụ n'ụlọ na aha ndị ọzọ dị iche iche.

N'ala Igbo, ịlụ Nwaanyị dị ka Okonkwo, (2012) kọwara bụ ijikọta mmadụ abụọ kwekọrịtara na ha ga-ebi dị ka dị na nwunye n'ụzọ omenaala. Njiko a ga-eme ka mbikọ ha nwee ugwu na nsọpụrụ ma mekwa ụmụaka ga-esite na njikọ ahụ pụta ka ha bụrụ ụmụaka ziri ezi n'anya mmadụ. N'ala Igbo, alụmdi na nwunye bụ nnukwu ihe. Eze (2019) kọwara mkpa alụmdi na nwunye na ndụ ndị Igbo nke gosiri mkpa ọ dị na nwoke ọbụla ga-alụrịrị nwunye, ma Nwaanyị ọ bụla ga-alụ di n'ogeokwesiri. N'ihi nke a Ọfọmata, (2002) kọwara na ndị Igbo na-ahụta nwoke ọ bụla ruru ogo ịlụ Nwaanyị mana ọ lụghị ka "Okokporo" nke pụtara n'ala Igbo onye enweghi isi na mmadụ. Nwaanyị ọ bụla alụghị di n'ala Igbo na-aza "ndabiri" nke pụtara Nna na-alụ. Iji kọwa na nwanyị alụghị di abụghị ezigbo ihe n'ala Igbo, ụfọdụ dị ka Ovoko Akpụrụokwe, ha na-akpọ udị ụmụnwanyị ndị a "Agaracha". Ụmụnwoke na-alụghị Nwaanyị ka a na-akpọ "Onye isi Okorobia". Aha ndị a abụghị ezigbo aha. Ọ bụ aha e ji elede mmadụ anya. N' ala Igbo, ha kwenyere n'ịlụ Nwaanyị abụghị sọsọ maka nwoke na Nwaanyị na-alụ onwe ha. Ilụ Nwaanyị bụ ihe ụmụnna n'ala Igbo. Nkwenye nke a mere ndị chọrọ ịlụ di na nwunye ga-agbaso ụsoro ndị ahụ bụ nke ndị Igbo ejighi egwu egwu. Usoro ndị a bụ nanwoke chọrọ ịlụ Nwaanyị ga-akpọ nne na nna ya ma ọ bụ nwanne nna ya ma ọ bụrụ na nna ya anọghizi na ya chọrọ ịlụ nwanyị. Nna ya na ụmụnne ya ga-agba ya ajụjụ ọnụ. site n'ajụjụ ọnụ ha ga-agba ya, ha ga-achọpụta ma ihe ọ na-ekwu bụ ihe ọ ga emenwu. Site na mgbe ahụ ụmụnne ya na ụmụnna ya ebido chọba Nwaanyị ma ọ bụ jụọ ase gbasara Nwaanyị ọ chọrọ ịlụ. Ihe ndị a ka a na-akpọ "Igba njụ nwanyị" n'ala Igbo. A gbacha njụ Nwaanyị ha nwe

mkpebi na Nwaanyị ahụ ha chọrọ ịlụ di ha mma, nwoke ahụ ga-akpọrọ ụmụnna ya ole na ole gaa be Nwaanyị ahụ ọ na - achọ ịlụ. Ha ga -eji ọjị na mmanya gaa ya bụ njem. N'ala Igbo ụfọdụ Obodo dị iche iche nwere aha ha na-akpọ nke a nke gunyere "ikụ aka n'ụzọ, ụfọdụ na-akpọ ya iwega ọjị izizi, ụfọdụ na-akpọ ya ịchịga ọjị, ụfọdụ na-akpọ ya ịtanye ụka, ụfọdụ na – akpọ ya ụka ụtụtụ. A na -ahụta usoro ndị a na usoro ndị ọzọ dị iche iche dị ka omenaala Nwaanyị nke adịghị nleghara anya n'ala Igbo. Nwaanyị ọ bụla ana agbasoghi usoro ndị a lụọ ana ewe nwaanyị ahụ ka nwaanyị siri ụzọ owere bata n'ezinaụlọ ebe alụrụ ya. Ọ naghị enwe ezigbo ugwu na nsọpụrụ. Nwoke lụrụ nwaanyị na-agbasoghi ezigbo usoro n'ala Igbo ana akọ ya ọnụ dị ka onye zuru Nwaanyị n'ohi. A na-ele ya anya ka Okoro etoghi eto wara ọgọdọ.

N' agbanyeghi nkwenye ndị Igbo nwere banyere usoro alụmalụ a, ụfọdụ ndị ntorobia ndị ụmụnwoke na ụmụnwaanyị kana- enupu isi n'usoro a. Nke a nwere ike ịbụ maka na Ụfọdụ ndị nne na nna anaghị akụziri ụmụ ha omenaala mgbe ha pere mpe maka ndụ enweghi ohere jụpụtara ebe nile. Nke a mere ndị nchọcha chọrọ ka ha jiri ejije udo ka mma tule ma kuziere ụmụ ntorobia ndị nwoke na ndị Nwaanyị ndị a usoro omenaala atụrụ anya n'aka ha nke ha kwesiri ịgbaso mgbe ga - alụ dị ma ọ bụ nwunye n'udị ejije. Site n'usoro ejije a, ndị nchọcha ga - eji ụzọ dị mfe kọwara ndị ụmụaka uru usoro ndị a bara ndị Igbo na ụmụ ha. N iji ejije udo ka mma zipụta usoro, ụmụ ntorobịa ga - ama na ọ bụghị idughie ụzọ ka ana akụziri ha, kama ka ha bụrụ ndị nwere ugwu na nsọpụrụ n'ala Igbo na ebe ha ga-alụ dị ma ọ bụ nwunye. Site n' iji ejije Udo ka mma wepụta usoro alụmalụ dị n'ala Igbo, ọ ga-zipụta ọnọdụ ime mmụọ ndị nne na nna mụtara nwoke na - alụ nwunye n'ala Igbo. Ọnọdụ a na - ezipụta ihe Hornby (2000) hụtara n'ụdị agụmagụ a dị ka ihe niile ederede ma ọ bụ nke ebipụtakwara ebipụta gbasara isiokwu ọ bụla, nke e ji eme mmụta pụrụ iche ma na - esikwa na ya ezi ozi. Agụmagụ na nghọta ndị nchọcha bụ ekemekeuche mmadụ nke ha ji enyocha elu ụwa ha nọ na ya. Ebumnuche kpọmkwem bụ iji agwa na akparamagwa dị n' Udo ka mma nke A. B Chukuezi dere were wepụta alụmalụ n'usoro omenaala ndị Igbo. Nke a bụ nke nchọcha a ga-eme site n'iza ajụjụ a. Kedu agwa na akparamgwa ndị zipụtara usoro alụmalụ ndị Igbo n' Udo ka mma?

Mgbe e wepụtarachara agwa na akparamagwa, dị na nchọcha a nke zipụtara ezigbo usoro alụmalụ n'ala Igbo, nchọpụta sitere na nchọcha a ga - enye aka n'ebe ọ dị ukwu ịhụ na ndị ntorobia ụmụnwoke na ụmụnwanyị ga - eme ka amata echiche Ọgụụ gbasara agwa na akparamagwa nke zipụtara usoro ndị ahụ. Ọzọ bụ na mpụtara nchọcha a ga - enye aka ime ka ndị ntorobịa na-erubere omenaala Igbo isi.

Iji hụụ na nchọcha a mịtara ezi mkpụrụ, ndị nchọcha nwara oko ha n' ịchịkọta nchọcha ha site n'agwa na akparamagwa dị na Udo ka mma nke A. B Chukuezi dere bụ ndị metụtara alụmalụ.

Ntụlegharị atụtụ Isiokwu

Omenaala dị ka Agbo, (1993) siri kọwa ya bụ usoro obibi ndụ nke jụpụtara n'ihụnanya, udo, ịdị n'otu nwanne na nwanne nke ha ji akwalite mmekọrịta mmadụ na ibe ya n'Obodo. Nkọwa a ka Ezeuko, (1999) nyere nkwado nke kọwara omenaala dị ka otu ndị si ezipụta ụzọ ndụ ha. Nkọwa a pụtara na omenaala bụ otu ndị si eme ihe ha nke gunyere ejiji ha, erimeri ha, nkwenye na ofufe ha, Asụsụ ha, ekele ha dgz. Nkọwa gosikwara n'omenaala bụ ihe e ji mara ndị nke e nwere ike ịgbado ụkwụ were kọwa ndị ahụ. Nke a na-arụtụaka n'omenaala ndị kwesiri ka ndị okenye na - akụziri ya ụmụaka maka ezigbo usoro obibi ndụ.

Agwa na nkọwa Heugh (2007) bụ ụzọ odee si egosipụta akparamagwa onye ọ bụla site n'ihe onye ahụ kwuru, ihe o mere na ihe ndị ọzọ ya na ha nọ n'Ọbọm kwuru gbasara ya. Nkọwa a na - egosipụta na agwa bụ mmadụ ndị nọ n'ejije, Iduazi ma ọ bụ abụ. Akparamagwa n'aka nke Eze (2019) bụ etu ndị a a kpọrọ aha n'iduazi, ejije, abụ nke ọdịnaala ma ọ bụ ederede siri gosipụta omume ha n'ime ederede ahụ. Nke gosiri na ọ bụ site n'akparamagwa ka esi ezipụta agwa. Ikeokwu na Onyejiekwe, (2004) kọwara agwa dị ka ndị ahụ ma ọ bụ onye ahụ nọn'iduazi, ejije ma ọ bụ abụ. Akparamagwa dị ka Ikeokwu na Onyejikwe (2004) siri kọwa gosipụtara ihe ndị ahụ agwa na - ekwu ma ọ bụ eme n' ejije, iduazi ma ọ bụ Abụ.

Okebalama (2003) hụtara ejije ka "ijije ndụ" nke gosiri n'ejije ji agwa na akparamagwa ezipụta ndụ dị n'elu ụwa. Ejije na nkọwa Ugwuoke, Ikeokwu na Agbedo (2019) na ntụgharị pụtara ihe ngosipụta site n' ilere agwa anya kpa agwa ka agwa dị ma ọ bụ gosipụta omume agwa. Nke a na - enye ntụzị aka n'ejije bụ "ijije agwa"

Agụmagụ na nkọwa Heugh (2007) pụtara ọrụ nka nke sitere n'echiche pụta ma bụrụ ụzọ esi na ya egosipụta ma na ahụ ndụ anya. Na nchịkọta anyị nwere ike ịkọwa agụmagụ dị ka Ugegbe eje enyo ndụ ụmụ mmadụ, anụmanụ, mmụọ n'elu ụwa.

Ntulegharị atụtụ agụmagụ

Atụtụ e ji atule agụmagụ dị ọtụtụ mana ndị nchọchalebara anya na ndị ga - enyere ha aka nkọwapụta ebumnuche ha nke ọma.

Atụtụ uche ọgụụ

Nke a bụ otu n'ime atụtụ nyocha agụmagụ.Nke a gbadoro ụkwụ na nkọwa ihe ọgụụ hụtara dịka ọrụ nka. Atụtụ a hụtara ọgụụ dị ka ihe dịkasiri mkpa nye agụmagụ nka. Atụtụ a dị ka Tyson (2006) siri kọwa malitere n'afọ 1960 na mba Amerika na Germany. Ndị bụ ndị bụ isi atụtụ a dị ka Tyson kọwara bụ Norman Holland, Stanley Fish, na Wolfgan. Atụtụ a nwere nkwenye na Ọ ka mma ndị ọgụụ izipụta echiche ha site na ihe ha gụtarana ihe odee dere n'akwụkwọ, nke ndị nchọcha gbasoro mee ihe nnyocha n'ihi na echiche abụghị otu.

Atụtụ Mbunuche

Ọ bụ Sigmund Freud (1965) na ndị otu ya wubere Atụtụ a. Ndị otu a hụrụ ọrụ nka dị ka omenanrọ. Ha kwenyere na tupu odee ede ihe na ọ ga echego ihe ahụ n'echiche, maọbụ nwego mgbe ọ hụgoro ihe dị otu ahụ na ndụ ya ma kpebie itinye ya n'ọrụ site n'izipụta ya n'ụdị ederede. Ndị nkwado atụtụ a kwenyere n' ihe odee na - ede agụmagụ ma ọ bụ onye na - agụ agụmagụ na - ele anya bụ ihe ọ gabigoro na ndụ ya na nwata. Ihe mere n'ezinaụlọ ya, mmekọrịta mmadụ na ibe ya dgz. Nke a ka ha kwenyere na a na - achọpụta site n' agwa na akparamagwa nke odee nyere agụmagụ nka ahụ.

Atụtụ mnwenonwe (Fọmaizim)

Onye wubere atụtụ a bụ Tyson (2006) nke kọwara atụtụ mnwereonwe dị ka ihe malitere n'afọ 1920. Nkọwa Tyson kwadoro na ndị bụ isi a hụrụ kwaba okpu n'atụtụ a bụ Roman Jacobson na Shlovsky Boris. Atụtụ a na-atule ọrụ nka site n'ileba anya na ihe mejupụtara agụmagụ nka. Ihe atụtụ a na - agbado ụkwụ bụ inyocha asụsụ nka niile pụtara ihe n'agụmagụ, ntọala agụmagụ, etu e si hazi agụmagụ, akparamagwa na agwa dị n'agụmagụ. Ndị otu a kwenyere na agụmagụ bụ ọrụ nka na ọ bụ nka bụ mma agụmagụ.

Nchọcha e merela n'isiokwu

Emeka (1997) mere nchọcha gbasara agwa na akparamagwa n'Obidiya nke Enyinna Akọma dere. Mbunuche nchọcha ahụ bụ itule agwa na akparamagwa dị n'ejije Obidiya. Na ntule agwa na akparamagwa, nchọcha chọpụtara na odee bụ onye hụrụ udo n'anya. Enyinna Akọma bụ Odee ji edemede ya akwado udo site n'agwa na akparamagwa ndị ọ jiri kwara ngwa ọrụ. Ihe o jiri mee ntụcha bụ atụtụ mbunuche; myiri ederede ndị a bụinyocha agwa na akparamagwa mana ndịiche bụ akwụkwọ ederede na usoro ntụcha.

Nwadike, (1988) mere nchọcha site n'itule akwụkwọ dị iche iche Tony Ubesie dere nke gunyere Jụọ Obinna,, Ụkwa Ruo Oge ya na Mmiri Ọkụ e ji egbu mbe. Mbunuche nchocha a bụ nchọcha gbasara Odee, aka nka O ji rụọ ọrụ na ka Odee siri hụta ụwa n'ederede ya. Na Nchọcha ya, Odee chọpụtara ụbara echemeche nke pụtara ihe ka Ubesie si hazie agwa na akparamagwa ndị dị n'ederede ahụ. Nchọcha a yituru nke e ji n'aka maka iji agwa na akparamagwa rụọ ọrụ. Ndịiche bụ na isiokwu nchọcha a na nke e ji n'aka abụghị otu.

Ijem (2019) mere nchọcha gbasara agwa na akparamagwa n'ejije udo ka mma nke A.B Chukuezi dere. Mbunuche ya bụ izipụta agwa na akparamagwa ndị dị n'ejije ahụ. Ọ jiri atụtụ mbunuche ọgụụ rụọ ọrụ. Nchọcha ya chọpụtara akparamagwa dị iche iche ndị mmadụ na - akpa, ọkachasị mgbe ha hụtara onwe ha n'ọnọdụ dị elu n'obodo. Myiri nchọcha bụ iji otu akwụkwọ mee nchọcha ndịche bụ na mbunuche nchọcha ha. Nchọcha nke e ji n'aka na - ele anya n'agwa na akparamagwa etu osi metuta alụmalụ.

Atụtụ njirimee nchọcha

Atụtụ nke ndị Signund Frued (1965) nke ha kpọrọ atụtụ mbunuuche (Psychological theory of Criticism) ka ndị nchọcha a jiri rụọ ọrụ. Nchọcha a gbadoro ụkwụ na nkọwa ha nyere si na mmadụ nwere ike ichebanye echiche banyere akparamagwa na agwa dị n'ime nkọwa ya bụ akparamagwa dị ka ngosipụta ihe odee bụ n'uche. Nke a gosikwara na mgbe ụfọdụ, odee na - edepụta ederede ya, site n'ihe ọ hụtagoro dị otu ahụ na ndụ ya ma kpebie I tinye ya n'ụzọ ederede.Ihe Ọ na - eleba anya bụ ihe odee gabigara site na mmekọrịta mmadụ na ibe ya.

Usoro nchọcha

Usoro nchọcha gbasoro wee mee nchọcha bụ iji akwụkwọ ederede Udo ka Mma nke A.B Chukuezi dere tụcha isiokwu bụ etu usoro alụmalụ ndị Igbo si pụta ihe n'agụmagụ a. Ọzọkwa bụ site n' iweta ọtụtụ echiche ndị ọchọcha ndị nke sitere n' ọba akwụkwọ dị iche iche.

Ntụcha usoro alụmalụ dị ka osi pụta ihe n'Udoka mma

Ntụcha usoro dị n'alụmlụ dị ka o si pụta ihe n' udo ka mma A. B. Chukuezi dere:

- Usoro Igba alụkwaghị m n'ala Igbo.

N' Ihu akwụkwọ iteghete (page 9) n' udo ka mma, ode gosipụtara ntuzi aka na e nwere usoro ịgba alụkwaghị n' alụmalụ n' ala Igbo.

Nke a pụtara ihe na mkparịtaụka dị n' etiti di na nwunye – Obiekwe na Obidiya nwunye ya.ọmụmaatụ- Obiekwe I kwuo ụdị okwu a ọzọ gị alaa be nna gị.

N' atụtụ mbunuche, echiche ọgụụ bụ na Obiekwe n' ebe a na – egosipụta na nwaanyị n'ala Igbo bụ ọlụlụ ka alụrụ ya na ọ bụghị ire ere. Okwu ndị ahụ na – egosipụta na nwunye nwoke

nwere ike ịlaghachi azụ n' ụlọ nna ya ma ọ bụrụ n' ụlọ di ya adabaghị ya. Nke a n' ala Igbo gosipụtara n'alụmalụ n' ala Igbo nwere ohere Ịgba alụkwaghị m.

Ịgba alụkwaghị m n'ala Igbo bụ enweghi mmekorita na nkwekọrịta nke dibu n' etiti nwoke na Nwaanyị jikọrọ onwe ha ọnụ. Eze na Umo (2017) kwadoro na Ịgba alụkwaghịm bụ ọnọdụ na-adapụtakarị mgbe nwoke na nwaanyị bigidere, okwu esewere ha, ma ha achọkwaghị ibi.

Site n' atụtụ mbunuche, ọgụụ na- eche n' ọtụtụ ihe nwere ike ibute Igba alụkwaghịm n' ala Igbo. Otu n'ime ya bụ nwaanyị erubeghi isi nyee di ya dị ka okwu Obiekwe na- egosipụta omume Obidiya. Nzaghachi okwu nye di na alụ nwaanyị nwere ike tinye alụmalụ a n'Igba alụkwaghị m.

- Usoro ọzọ pụtara ihe n' ejije udo ka mma gbasara omenaala alụmalụnwoke dị ka onye na-alụ nwaanyị n' ala Igbogosiri na alụmalụ bụ otu n'ime omenaala dị nnukwu mkpa nke nwere ugwu na nsọpụrụ. N' ala Igbo Ọ bụ nwoke bụ "Di nwe ụlọ". ọmụmaatụ n' ihu akwụkwọ iri atọ (Ihu 30) n' udo ka mma, wepụtara ọtụtụ alụmalụ nke gunyere alụmalụ dị n' etiti Obiekwe na Obidiya, Okpatu na Ikodiya, Maduka na Okwerekediya.

N' ime alụmalụ ndị a,ogosipụtara n' ala Igbo na nwoke na- alụ nwaanyị. Ilụ Nwaanyị n'ala Igbo bụ otu n'ime omenaala dị nnukwu mkpa nke nwere ugwu na nsọpụrụ. Ọnọdụ ndị a ezipụtara n' udo ka mma na- egosipụta na ọ bụ nwoke na achọ Nwaanyị Ọ ga alụ. Ọ bụghi Nwaanyị na- achọ nwoke ga- alụ ya.

- Usoro ọzọ a na- enwe alụmalụ n'ala Igbo bụ ile Nwaanyị ọmụgwọ.

N'ala Igbo mgbe nwoke lụrụ Nwaanyị etu usoro omenaala Igbo siri chọọ. Nwaanyị ya mụọ nwa, nwoke ahụ ga- ele ya ọmụgwọ.

Nke a pụtara ihe n' ihu akwụkwọ iri na iteghete (page 19) n' udo ka mma n' ezinaulọ Okpatu ebe e nwere emume ile ọmụgwọ.

ọmụmaatụ: site n'okwu Okpatu dị Ikodiya:

Ikwu na ibe,Unu anwụlaE kelee m unu etu unu si nwe ohere bia n'ụlọ m taa maka emume ọmụgwọ Ikodiya nwunye m.

N' atụtụ mbunuche, o gosiri na ọmụgwọ n'ala Igbo bụ ọnọdụ Nwaanyị a lụrụ nke ọma n' na-anọ na be di ya mgbe ọ mụrụ nwa. N' oge ọmụgwọ di Nwaanyị ahụ, ụmụnne di, nne ya na ụkwụ na ibe ya na eji ohere lezie Nwaanyị na nwa ya ọ mụrụ ọ hụrụ anya.

Dịka ihu akwụkwọ iri atọ (Ihu 30) n'agwa na akparamagwa Okpatụ n' Udo ka mma, Ọ bụ ọrụ diri nwoke n' ala Igbo ihụ na ihe niile di mkpa di n'ụlọ mgbe nwunye ya mụrụ nwa.

- Usoro ọzọ pụtara ihe n' alụmalụ n' Udo ka mma bụ na alụmalụ Nwaanyị n' ala Igbo bụ ihe gbasara ụmụnna. Nke a pụtara ihe n' ihu akwụkwọ iri atọ na atọ (Ihu 33). Ọmụmaatụna mkparịtụka dị n' etiti Ụmụnnakwe, Akunna na ndị ọzọ :

Ụmụnnakwe- Ndị, ikwu na ibe anyị, unu abiala.
Akunna- ụmụnna, ikwu na ibe unu amụla.
Ndị ọzọ- Anwula- O!
Akunna- Ndị ochie si na ụka a kara aka
A na – eji isi ekwe ya
Eke abụọ gara aga
Ka mụ na ụmụnna ma na ezinaụlọ m buru mmanya bia ebe a ……..

N'atụtụ mbunuche,O gosiri n' alụmalụ n' ala Igbo bụ usoro nke gbasara ụmụnna. N' ala Igbo anaghị alụ Nwaanyị na nzuzo. Ọ bụ ihe gbasara ọha na eze. Ụmụnna nwoke na ụmụnna nwaanyị na anọ ekwu okwu nwaanyị n' ala Igbo. Ọ bụ nke a ka odee Chukuezi gosipụtara n' udo ka mma n' ihu akwụkwọ iri atọ na atọ (Ihu 33).

- Usoro ịju ase ma ọ bụ ịgba njụ nwaanyị bụ usoro ọzọ odee jiri udo ka mma kuzie

N'atụtụ mbunuche, ndị Igbo bụ ndị kwenyere n' usoro ijụ ase ma ọ bụ ịgba njụ alụmalụ. N' ala Igbo tupu nwoke na nwaanyị alụọ di na nwunye a na – ajụ ajụjụ nke gunyere ihe ndị a –

Ha bụ ndị osu, ha nwere ụdị orịa a na – asọ asọ, ha bụ ndị na – anwụ ọnwụ ike wdgz. Ọ bụ ụdị ọnọdụ ka odee bụ Chukuezi jiri kuzie mgbe o jiri okwu okwerekediya kwuru mgbe Akunna chọrọ ịlụ Ada ya nwanyị. N'ihu akwụkwọ iri atọ na anọ (Ihu 34).
Okwerediya: Ndị be anyị na ụmụ dị m.
Unu anwụla.

Unu mara otu omume anyị bụ ụmụ Nwaanyị siri dị.
Ihe a ga-eme bụ,
Anyị ga – atule okwu unu
Ma chehara ya uche juchaakwanụ ajụcha.
Ndị nwe m, unu anwụla.

- Usoro ọzọ e ji alụ Nwaanyị n'ala Igbo bụ usoro idonye mmanya n'ukwu.

Idonye mmnanya n'ụkwụ n' omenaala Igbo bụ mgbe nwoke chọrọ ịlụ Nwaanyị ma Nwaanyị ahụ pere mpe, Ọ ga – donye mmanya n'ezinaụlọ nna Nwaanyị ahụ zipụta mmasị o nwere maka Nwaanyị ahụ.

Na mbunuche ọgụụ, odee zipụtara usoro omenaala n' ihu akwụkwọ iri anọ an anọ n' ejije udo ka mma (page 44) site n' agwa na akparamagwa Ekwerekwe-
ọmụmaatụ
Dike si ka m duga ya
Ka Ọ donye mmanya n'ukwu ada gị bụ Egondụ.
Otu omenaala si dị.

Na atụtụ mbunuche ọgụụ,okwu a sitere n'ọnụ Ekwekwe n' ihu akwụkwọ iri anọ na anọ ka Odee bụ Chukuezi n' Udo ka mma jiri gosipụta omenaala idonye mmanya n' ukwu Nwaanyị n' ala Igbo.

N' ala Igbo ha anabata usoro idonye mmanya n' ukwu ma ọ bụ isi nwanyị. Nke bụ otu n' ụzọ e si alụ alụmalụ n' ala Igbo.

- Usoro alụmalụ ọzọ ode gosipụtara n' Udo ka mma bụ usoro otu nwoke ilụ ọtụtụ Nwaanyị n'ala Igbo. N'ala Igbo ha nabatara otu nwoke ilụ ọtụtụ nwanyị. Na mgbe ochie, e ji ọtụtụ Nwaanyị nwoke lụrụ egosipụta akụna ụba ya. Chukwuezi gosiputara omenaala Nwoke lụrụ ọtutụ Nwaanyị nnukwu dịka ọgaranya n'ihu akwụkwọ iri atọ na anọ (Ihu 34)Odee gosipụtara omenaala n' agwa na akparamagwa Maduka.

Maduka: Ọ bụ ihe ha ji buru udu mmanya ndị a bia.

Mụ naya ekwuola okwu a
Mgbe Ọ biara mbụ
Akunna bụ oke enyi m
Ọ bụ nwoke ma onwe ya, bụrụkwa nwoke na – agbasi ike n' ihe ọbụla

Ọ lụọla umu Nwaanyị ise
Ezi na ụlọ ya di chim.

N' atụtụ mbunuche ọgụụ, odee jiri agwa na akparamgwa Mmaduka zipụta nkwenye n' omenaala Igbo na nwoke nwere ike ịlụ ọtụtụ Nwaanyị n'ala Igbo.

Nchikọta/Mmechi

Alụmalụ ma ọ bụ ịlụ Nwaanyị bụ otu n'ime omenaala Igbo. Dị ka aha ya siri dị n' ala Igbo, ilụ Nwaanyị abụghị ilụ nwoke. N' omenaala Igbo Ọ bụ nwoke na – alụ nwanyị, Ọ bụghị Nwaanyị na – alụ nwoke. Ịgbaso usoroomenaala Ilụ Nwaanyị n' ala Igbo dị nnukwu mkpa maka na ọ na-enye ugwu na nsọpụrụ n'ebe nwoke na nwanyị nọ. Na ndụ ndị ala Igbo ọ bụ naanị mgbe nwoke lụtara Nwaanyị ma ọ bụ mgbe a lụrụ Nwaanyị ka a na – agunye ha na mmadụ n' ala Igbo.

Nke a pụtara ihe na nkwenya ndị Igbo, na ihe e ji alụrụ Nwaanyị bụ maka imụta nwa nke nwere ugwu na nsọpụrụ n'ebe ezinaụlọ ndị Igbo nọ.

Nke a mere e jiri nwee usoro dị iche iche e ji alụta Nwaanyị na ezinaụlọ n' ala Igbo. Nwaanyịọbụla a lụrụ n' ezigbo usoro a nwere ugwu na nsọpụrụ dị elu n'ezinaụlọ alụbatara ya.

Ya mere ndị nchọcha a jiri leruo anya n'iji ejije Udo ka mma nke Chukuezie dere kuziere ụmụakwụkwọ ndị sekọndịrị ntausoroomenaala alụmdi n'ala Igbo. Ha jiri atụtụuche ọgụụ tụcha ejije a. Ha chọpụtara na alụmalụ n'ala Igbo bụ O zuru mba Igbo ọnụ mana usoro e si eme mmemme ya n'ala Igbo niile abụghị otu - Usoro ndị ahụ gunyere – nwoke ilụ nwaanyị, iju ase ma ọ bụ ịgba njụ nwanyị, idonye mmanya n'ukwu nwanyị, omenaala nwoke ilu ọtụtụ nwaanyị n' ala Igbo, ime emume omugwo nye Nwaanyị alụrụ n'usoro omenaala ndị Igbo wdgz. Anaghị ere nwaanyị ere n'ala Igbo dị ka ụfọdụ si echen' Obodo ọzọ. Nchọpụta gosikwara n'omenaala ilụ Nwaanyị n' ala Igbo bụ maka imụta nwa nwere ugwu na nsọpụrụ n'ezinaụlọ.

N' ikpeazụ, ndị nchọcha tụrụ arọ ka ndị nne na nna jisie ike na – akuziri ụmụ ntorobia omenaalamwtutara ilụ nwanyịn' ala Igbo. Nke a ga – adị ire mgbe ndị nne na nna ga na –

enye aka agbaziri ndị ntarobịa, ma na-akatọ ajọ agwa na akparamgwa ụmụ Nwaanyị na ụmụnwoke ndị ntorobia agbasoghi ezigbo usoro na-alụ onwe ha n' ala Igbo.Ọzọkwa mgbe ndị ụmụnna nwoke na Nwaanyị nyere ndị ntorobia lụrụ di na Nwaanyị ezigbo ugwu na nsọpụrụ dị elu n'ezinaụlọ ha Ọga-enye aka ịkpalite mmụọ ndị ntorobia maka ileru anya ala ma gbaso ezigbo usoro dị ịlụ Nwaanyị n' ala Igbo.

Usoro ndị a ga na eme ka ihe na-aga n'usoro o kwesiri dịka omenaala Igbo siri chọọ. Nke a bụ mbunuche ndị odee ileba anya n'iji akwụkwọ ejije "Udo ka "mma" kuziere ụmụakwụkwọ omenaala ịlụ Nwaanyị n'ala Igbo.

Nrụtụaka

Agbo, D..J.U. (1993). *Igbo Traditional Religion: The Spriituality and the eschatological character of Igbo traditional charity (vol.2).* Nsukka: Chinedu Press.

Chukuezi, A.B (1997). *Udo ka Mma* Ibadan: Oxford University Press.

Emelia, I.I (1977). *Critical appreciation of Enyinna Akọma's Obidiya,* B.A thesis in Department of Linguisticis, Igbo and other Nigerian Language University of Nigeria Nsukka.

Eze, R. I. (2019). *Mmụta asụsụ Igbo n'ogo sekọndirị Junịọ.* Chuka Educational Publishers. Nsukka, Chuka publishers ISBN: 978-978-56751-8-4

Eze, R.I. na Umo C. (2017). Ụtọasụsụ na Omenala Igbo maka Sekọndịrị Senịọ WAEC na NECO, Merit International Publication. ISBN 978-978-52902-6-4 .

Ezeuko, R.O (1998). *Ewumewu, Omenaala Ofufe na nkwenye ndị Igbo.* Nkpor: MAS Founders Publication Ltd.

Heugh,K.(2007) Language and Literary issues in South Africa.In N.Rassool.*Global Issues in language education issues and development: perspectives from postcolonial language:*Clevedon Multilingual Matters,pp.187-217.

Hornby, A.S (2010) *Oxford Advanced Learners Dictionary Ibadan:* Oxford University Press.

Ijem, J.N. (2019). *Nyocha Agwa na Akparamagwa n'ejije Udo ka Mma nke A.B Chukuezi dere B.A Project* Nsukka: University of Nigeria.

Ikeokwu, E.S and Onyejekwe, M.C. (2004). *Mmalite Ọmụmmụ na Nghọta Ejije Igbo Ọdịnaala na ọdọrohụụ.* Enugu: CID JAP Press.

Obi N.M (2006). Language, tool for literature in *O.M Ndịmele (eds), Four decades in the study of language and linguistics in Nigeria, National Institute for Nigeria Language* (Pg 60 – 92).

Okebalama, C. N. (2003). *Agụmagụ Ọnụ Igbo.* Enugu: Snap Press Limited.

Robin, M. (1965). *Understanding literature*. Cambridge: Cambridge University Press.

Tyson, L. (2006) *Critical theory today, a user- friendly guide.* New York: Routledge.

Ugwuoke P.E,Ikeokwu,E.S & Agbedo, C.U(2019).*Drama and Theatre veritable instruments for Societal Development in Nsukka Working Papersin Language, Linguistics, and Literature (NW PLLL).* Vol 7 (21 – 35).